# ONYE AHỤ NA-EMEGIDE KRAIST

**II Ndi Tesalọnaika 2:1-12 ; Nkpughe 13:1-18 ; 14 :9-11.**

**IHE-Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 413**

**Nke Ndi-etiti**

**AMA-OKWU IBU N'ISI: ''Ndi nile bi n'elu uwa gākpọ kwa isi ala nye ya, onye ọ bụla anēdegh aha-ya n'akwụkwọ nke ndụ '' (Nkpughe 13:8)**

## Onye Ọchịchọ Ọjọ

Oge nsogbu nke dị oke egwu, nke ana-akpọ ''Nkpagbu uku Ahu'' ga-adakwasị ụwa nile. Nime oge ahụ, nke ga-abụ arọ asaa, otù onye ana-akpọ onye ahụ na-emegide Kraist ga-ewere ike ọchịchị, nke pụtara onye na-adịghị ekwenyere Kraist. Aha ndi ọzọ enyere onye ahụ bụ ''Onye ahụ nēmebi iwu,'' ''anụ-ọhịa,'' ''onye ọchichi nke ụwa nke a'', ''onye ọjọ ahụ,'' ''nwa nke ila-n'iyi.'' Mwelikọ nke nzukọ Kraist ga-abụ tutu ma-ọbụ na nso nke Mkpagbu ahụ, dịka ayị mụrụ-ya n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ayị gara-aga. Ayị amaghị n'ezie otú ''Nwayi ahụ analụ-ọhụ'' ga-agaru nime mkpagbu ahụ, ma ayị matara na aga ewepu ndi ahụ na-emeri emeri tutu ekpughe onye ahụ, na-emegide Kraist. Ọ di onye na-egbochi ka-aghara ikpughe ''Onye ahụ nēmebi iwu'' (Ndi Tesalọnaika 2:6-8). Agaghi ekpughe ya rue mgbe mwelikọ ndi nsọ gasịrị. Ya mere ọ bụrụ na ị na-ewezuga ọbịbịa nke Onye-nwe-ayị na-eche na Ọ gaghị abịa rue mgbe ekpughere onye-ahụ na-emegide Kraist, Ọ bụ ụgha, n'ihi na Baịbụl na-akụzịrị ayi na Jisọs ga-abịa tutu ekpughe onye na-emegide Kraist. Otu o dị o nwere-ike bụrụ na o bi n'elu ụwa ta.

## Mụọ Nke Chineke

Ị̀ matara onye na-ejide ike nke onye ahụ na-emegide Kraist? Ị̀ matara ihe mere na ike nke onye-iro ewerebeghị ọnọdụ n'izu-oke n'elu ụwa? N'ihi na Nwunye ana-alụ ọhụ nke Kraist na Mụọ nke Chineke ka nọ kwa n'elu ụwa nke a. Ndi mmeri zuru-okè, ndi nsọ nke Chineke, ndi ahụ jupụtara na Mụọ Nsọ na-eje kwa ije nime ihè ahụ nile bụ ndi na-ejide ike nke mmebi iwu ahụ.Ha na-ekpe ekpere ka azọpụta ndi ọzọ tutu Jisọs abịa; ha na alụ ọlụ ikpọ-ghachi ''igwe atụrụ ahụ furu efu'' nime Igwe atụrụ-ahụ tutu oge agafe. Ị̀ jikerewo? Ị̀ na-echere nlaghachi nke Onye-nwe-ayị. Ọkụ-gị ọ̀ na-enwusi-kwa ike? Iji kwa manụ ''nke-iga etinyetụkwa'' n'arịa gị?

## Ekweghi-Ekwe

''N'ihi na ọ gagh-adi, ma ọ bụrụ na mwezuga ahụ ebugh ụzọ bịa'' Mwezuga site na gịnị ? Mwezuga site na ozizi na nkuzi nke Okwu Chineke. Ọtụtụ madụ taa na-agọ na Jisọs bụ Kraist ahụ, ma-ọbụ na-agọ na amụrụ ya site na Meri bụ nwagbọghọ na-amaghị nwoke, na-agọ-kwa na O nwere ike ịlụ ọlụ ebube. Ma okwu Chineke na-agwa ayị na Ọ bụ Ọkpara nsọ nke Chineke na O nwe-kwara ike igba-ghara mmehie nile. ''Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu ụwa nyem'' (Matiu 28:18). Ọtụtụ akụkụ ọzọ dị na Baibụl ka ana-ekwereghi n'ụbochị taa ''Jisus Kraist di otù aka ahụ nyahuru na taa, e, ru kwa mgbe nile ebigh-ebi'' (Ndi Hibru 13:8). Mgbe Ọ nọ n'elu uwa Ọ gwọrọ ndi ọrịa, Ọ na-agwọ kwa ndi na ejekuru Ya n'okwukwe taa. Ma taa òlé na òlé bụ ndi kwere ma tụkwasị-kwa Chineke obi ! Ụfọdu ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta na-ekwu taa na ọ dịghị mkpa irubere ndi Ụkọ-chukwu isi ma-ọbụ ige ndi-mụrụ-ha ntị. Ha na-ekwu sị na ọ dịghị mkpa iyi uwe n'ụzọ dị mma na ịjụ ihe nile yiri mmehie. N'ezie ''Mwezuga'' abịawo ma ayị na-ahụ kwa ya nime ụmụ okoro na ụmụ agbọghọ. Adụwo ayị ọdụ ka ayị na-edebe ịhụ ezi-okwu nke okwu Chineke n'anya nime obi ayị, ka ewe ghara kwa iduhie ayị. ''N'ihi na ihe-omimi nke mmebi-iwu na-alusi ọlụ ike ugbu a'' Nanị ịtugharị uche na edere okwu a ihe ra ka otù puku na nari iteghete arọ gara aga (19 Centuries ago), ma ọ bụrụ na ọ na-emezu n'oge ahụ, kedụ maka oge nke ụbochị taa. Ọ dị otù onye nke kwuru sị na ọ bụrụ na ekwensu lụrụ ọlụ rue awaa asatọ nime otù ụbọchị n'oge ochie ahụ, ugbu a ọ na-alụ ọlụ rue iri awaa abụa na anọ nime otù ụbọchị, ya bụ narị mkpụrụ ụbochị atọ na iri isi na ise (365 days) n'otu arọ !

## Ike Nke Ekwensu

Onye ahụ na-emegide Kraist ga-abụ eze nime Ulo-Uku-Chineke di na Jerusalem, ''na-egosi onwe-ya si na ya bu Chineke''. Ọ ga-eduhie ụwa nile site na ihe iriba-ama di iche iche na ọlụ ebube

di iche iche nke ya na ndi ámụ́má ahụ ga-enwe ike ime, ọbụna ime ka ọkụ̀ si n'elu-igwe daa n'ala n'iru madụ nile. Ndi nile bi n'elu ụwa ga-akpọ kwa isi ala nye ya, bụ ndi ana-edeghị aha ha nime Akwụkwọ nke Ndụ (Nkpughe 13:8). Na mbụ onye ahụ nke na nke na-emegide Kraist ga-abịa n'ike ọchịchị na udo; ma ọ ga-agbanwe ụzọ ya wee ghọọ onye na-achị n'oké obi ọjọ na iwe ma dị kwa oke-egwu. Iwe-ya ga-adị ọkụ megide ndi Kraist ga-anọ n'elu ụwa ndi ahụ na-esoghị na mwelikọ nke Nwunye Kraist ana-alụ ọhụ, megide kwa ndi Ju nile. Aga-egbu ndi Kraist ndi nọ na ndụ n'elu ụwa nke a oge ahụ dị oké egwu n'ihi iguzogide ike nke Ekwensu (Nkpughe 13:6-8). ''Ọ na-eme kwa madụ nile, ndi nta na ndi uku, na ndi-ogara-nya na ndi ogbenye na ndi nwere onwe-ha na ndi orù, ka akà ha akàrà n'aka-nri-ha, ma-ọbụ n'egedege iru-ha: ka onye ọ bụla ghara kwa ipu izụta ahịama-ọbụ ire ihe ma-ọbugh onye nwere akàrà ahụ, bụ aha nke anụ-ọhia ahụ ma-ọbụ ọnụ-ogụgụ aha-ya '' (Nkpughe 13:16,17). Ọ ga enwe ike nke ndụ na ọnwụ n'ebe ndi ọ na-achị nọ. Ndi nile na-enupu isi nye iwu-ya ka ọ ga-egbu (Nkpughe 13: 1-18; Daniel 8:23-25).

### Ọ dịghị Mgbapụ Dị

Ndi nile na-anọdụ n'ihè nke Ọzi-ọma ugbu a ma-ọbụrụ na ha ejikereghi maka mwelikọ nke ndi Nsọ, ha agaghi enwe ike iguzogide ike nile nke onye ahụ na-emegide Kraist. Ndi ahụ na-enweghị agụ́ nke ime mụọ n'obi ha n'oge nkwusa nke ozi-ọma nke a, mgbe ana-awụkwasi Mụọ Nsọ ná mkpụrụ-obi ndi na-achọsi-ya ike agaghi ele anya iguzogide ike nile nke Ekwensu n'ụbọchị ahu mgbe aga-ewepu Mụọ Chineke site n'ụwa. Ndi ahụ wereworo akàrà nke anụ-ọhịa akawo onwe-ha akàrà ọnwụ ebighi-ebi. Iwere akàrà nke anụ-ohịa ahụ bụ ịnara ya na ọnọdụ Chineke na Kraist; inupu isi inara ya pụtara ọnwụ (Nkpughe 13:1-18; 4:9-11).

### Ikpe Nke Chineke

Onye-nwe-ayị ga-awụkwasị ụwa ikpe Ya na nkera nke abụa nke oge nka,Ọ ga-abụ kwa oge dị oké egwu karịsịa nke elu-ụwa nke a hụtaworo. Daniel kwuputara ihe banyere nke a, Jisọs kwuputara otu ihe ahụ (Daniel 12:1; Matiu 24:21). Ihe ụfọdụ ga-eme n'oge ahụ bụ oke ozuzo nke akụ miri-igwe, mgbe otu nkume ga-adị arọ rue ihe ra ka pam iri ise na isii; ọkù atụgwara ọbara gana-ezo dika miri; igurube ga-esi kwa n'olulu abiss na-apụta na-igwé. Igurube ndi a ga-enwe kwa ike ịta ha ahụhụ ọnwa ise bụ ndi ahụ nataworo akàrà nke anụ-ọhịa ahụ. Igurube ndia a ga adị kwa ka ịnyịnya n'ile ha anya, bụrụ kwa ndi ejikeworo maka agha (Nkpughe 8:1-13; 9:1-12; 16:17-21). Dika nke a ezughi, ndi-agha nke ọnụ-ọgụgụ ha bụ narị nde abụa (200,000,000) na-anọkwasi n'elu ịnyịnya ka aga-atọpụ site n'Elu-igwe megide ụwa ka ha were ọkụ, na anwụrụ ọkụ na brimstone nke na-esi n'ọnụ ha pụta rechapụ otù-ụzọ nime ụzọ-atọ nke ndi ni n'elu ụwa. Ụwa ga-aghọ kwa ọkụ-ala mụọ, n'ihi ihe ọjọ na ahụhụ ga-adakwasi ụmụ madụ (Nkpughe 9: 13-19). Osimiri nile ga-aghọ kwa ọbara; anyanwụ ga-enwe kwa oké okpomọkụ nke ga-acha ụmụ madụ ndi gana-atabi ire-ha n'ihi ihé ụfụ, ma ha agaghị echeghari kwa.

### Ajọ-Omume Na-Aba-Ụba

Okwu Chineke ka ana-emezu, agana-emezu kwa ya ga n'iru. ''Ihe omimi nke mmebi iwu'' na-alụsi ọlụ ike n'ụbọchị taa. Jisọs sịrị na ''ihe nēmebi iwu gāba uba'' (Matiu 24:12). ''Iba uba'' pụtara ibili elu dịka ebili miri nke oké osimiri, ma-ọbụ idi uku ri-nne. Taa ebili miri nke mmebi iwu na-amali elu n'uwa nile. Ihe mmebi iwu na-aba ụba n'etiti ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta. Na United States nke America n'etiti otù narị ọ bụla ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta, madụ iri na abụa bụ ndi gbara site na arọ iri rue arọ iri na asaa abụrụwo ndi pụtara n'Ulo ikpe nke ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ, ya dịkarịa nta otù ugbo, dịka United Nation depụtara ya na akwụkwọ. Ha na-ezuru ụgbọ-ala na-emebi akụ na ụba, na-emebi iwu nke ịnya ụgbọ-ala n'okporo ụzọ, na anọkọta na-òtù ọjọ ine ihe di-ike, ndụ imebi akụ-na-ụba nke Gomet na-añụ sigaret, na-mmanya-ọkụ na ọgwụ di iche iche na-aba na-anya. Òtù di iche iche bụ ''mmehie ọhụ nke ahụrụ dịkasịrị mkpa nke ahụrụ na irò òtù nke ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta ndia na-emebi iwu na-akụkụ ụwa nile na-eme'', akụkọ ndepụta nke ndi otù na-ahụ banyere njikọta nke ụwa nile. Otù onye ikpe nke na-ekpe ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta sitere na Denva jee njem rue Portland kwuru sị na mmebi iwu nke ụmụ okoro nta na ụmụ agbọghọ nta ga-adi okpukpu abụa nime arọ iri na-abịa n'iru ma dọọ kwa ayị aka-na-ntị sị: ''Ayị ga-enwe ihe mmebi nke ụmụ okoro nta na ụmụ agbọ-ghọ nta ga n'iru rue oge nile nke ayị na-enwe ndi na-adigh elezi anya, ezi na-ulo ọjọ, ndi na-akwagide omume ọjọ, ndi nkuzi na-enweghị ezi òzụ̀zụ̀, akwụkwọ ndi na-ezisa ozi ọjọ na ihe ike ana-egosi na television.'' Mgbe Chineke ga-

ekwu sị, ‘‘O zuwo’’ Ọkpara Chineke ga-ewere olu isi-mọ-ozi na opi nke Chineke bia ịkpọrọ ndi ahụ na echere Ya (I Ndi Tesalọnaika 4: 13-18). Mgbe ahụ ka ike nke ihe ọjọ ga-ewere ụwa nile. Mụọ Nsọ nke Chineke nke di nime ndi Ya, dịka ayị matara, bụ nanị ihe nke na-egbochi Ekwensu ka ọ ghara iwerezu ọchịchị nke ụwa taa.

**Nchebe Ka-ọbụ Mbibi**

N’oge Noa Chineke ji iju miri mebie ụwa, ma O ji ugbọ miri uku ahụ bù Ụgbọ Gopher zọpụta ndi-Ya. Mgbe Chineke na-achọ imebi Sọdọm na Gọmọra, ndi Mụọozi-Ya gwara Lọt sị,‘‘Me ngwa, wepụga onwe-gị je ebe ahụ; n’ihi na apụghm ime ihe rue mgbe ị gābà n’ebe ahụ (Jenesis 19:22). Ma-ọbụghị rue mgbe Lọt siri na obodo ahụ pụa ka Onye-nwe-ayị siri n’Elu-igwe zoda ọ̀kụ̀ na brimstone n’obodo nile ahụ. N’oge nke Moses, Chineke zigara Ijipt ahụhụ. Ahụhụ atọ nke mbụ bụ: ọbara, awọ na anwụ ntà. Ma tutu ezite ahụhụ nke ọzọ, Chineke sịrị,‘‘M’gēkewapu n’ụbọchị ahụ ala Goshen, nke ndim nēguzo n’elu ya, ya mere odudu agagh-adi n’ebe ahụ:..... M’getiye kwa ngbapụta n’etiti ndim na ndi gị.’’ Jehova we mee otù a ọtụtụ ahụhụ ndi ọzọ dakwasiri ndi Ijipt, ma ọ dịghị otù nime ha metụrụ ndi Jehova. N’otù aka ahụ ayị kwere na Jehova arọpụtawo ụzọ Ọ gesi ‘‘kpaa oke’’ n’etiti ndi-Ya na ndi mmehie. Nwunye ana-alụ ọhụ nke Kraist agaghi-aba na-oke ijọ njọ nke mkpagbu uku ahụ kama aga-ewepụ ya site n’ụwa nka tutu oke mkpagbu ahụ abịa. ‘‘Bia, ndim, bata nime-ulo-gị nile, mechibido ụzọ gị nile n’azu-gị. Zobe onwe-gi nanị otu ntabi-anya ntà, rue mgbe okè iwe gāgabiga’’ (Aisaia 26:20). Nanị ụzọ mgbapụ dị bụ site n’ọbara Jisọs. Ndi nile na enwebeghi nzọpụta kwesiri ịchọ iru Jehova ugbu a. Ndi azọpụtaworo kwesiri iga n’iru na-achọ Jehova maka odudo nsọ ba baptizm nke, Mụọ Nsọ ka ha wee bụrụ ndi jikeworo ịgbanarị oké ihe ọjọ nile ahụ nke ga-abịa. Jisọs pụrụ ịbịa tutu ebipụta ma-ọbụ gụa ahịrị okwu ndi a. Ayị amaghi ụbọchị Ọ ga-abịa kama ayị matara na ụbọchị ọbịbịa Ya di nso. ‘‘Lezienu anya, murunu anya, nēkpe-kwa-nu ekpere: n’ihi na unu amatagh mgbe oge ahụ bụ’’ (Mak 13:33).

**AJỤJỤ**

1. Gịnị bụ aha ndi ọzọ ana-akpọ onye ahụ nke na-emegide Kraist?
2. Gịnị ga-eme tutu ekpughe onye ahụ nke na-emegide Kraist?
3. Gịnị ka ‘‘ndapụ ahụ’’ pụtara?
4. Gịnị bụ oke ihe ịtụ n’anya ahụ nke onye ahụ na-emegide Kraist ga-eme?
5. Gịnị ka akàrà nke anụ-ọhịa ahụ putara?
6. Òlee ndi ga-efe onye ahụ nke na-emegide Kraist ofùfè?
7. Ònye bù onye ahụ na-egbochi ka ike nile nke Ekwensu ghara iwerecha ụwa nile?
8. Gịnị mere oji dị mkpa inwe ịhụ-na-anya nye ezi-okwu nime obi ayị?
9. Gịnị bụ ụfọdụ ihe ndi ga-eme n’oge oke mkpagbu ahụ?
10. Òlee akụkụ Akwụkwọ Nsọ na-akụziri ayị na Nwunye ana-alụ ọhụ nke Kraist ga-agbanarị ihe ndịa?